ÉKWÉ JỌNAL NKE NDỊ IGBO SCHOLARS FORUM, NIGERIA

VOLUME 16 NO 2, JULY, 2023 ISSN: 2476-8448

# MMETỤTA ỤKPỤRỤ ỌMA IGBO N'AKPARAMAGWA ỤMỤ AKWỤKWỌ NDỊ SEKỌNDỊRỊ NA STEETI EBONYI, NIGERIA

**Nwigwe Nwakaego**
Department of Arts and Social Science Education,
Ebonyi State University, Abakaliki
nwakaegonwigwe@gmail.com

## Ụmịedemede

Nchọcha a lebara anya na mmetụta ụkpụrụ Igbo n'akparamagwa ụmụ akwụkwọ ndị sekọndịrị nọ na Steeti Ebonyi. Mpụ na arụrụala dị iche iche a na-ahụta taa n'ime ụlọakwụkwọ anyị ha, ndị na-apụta ihe n'ụzọ isiike ụmụ akwụkwọ, ọgbahara, otu nzuzo dị iche iche, enweghị nsọpụrụ nye ndị nkuzi na ndị okenye, ekike na-awụ akpata oyi, nrụrụaka ule na ịgba akwụna, iji egbe ezu ori, ịtọrị mmadụ na arụ ndị ọzọ dịka ha, e meela ka ndị mmadụ na-ajụ ma o nwekwara otu e si eme ka ụmụ akwụkwọ ndị a mara na e nwere iwu na usoro na-achị agwa mmadụ. Ụmụ iwu na usoro na-achị obodo ọ bụla n'ala Igbo ka a kpọrọ ụkpụrụ, ọ bụ ha na-akọwapụta ụmụ ezi agwa mmadụ kwesịrị ịkpa na ndị mmadụ kwesịrị ịsọ oyi n'obodo. E si n'aka ndị nnanna anyị ha nweta iwu na usoro ndị a. Agwa ọjọọ ụmụ akwụkwọ emela ka a jụa ma e nwekwara nnọọ nkuzi na mgbazi ụkpụrụ ala Igbo a na-enye ụmụ akwụkwọ ndị a site n'ụlọ nne na nna ha, n'ụlọakwụkwọ ha dị iche iche na n'ime obodo? Ọ bụrụ na a na-akụzịrị ụmụ akwụkwọ ndị a ụkpụrụ ndị a, o nwere ka nkuzi a si emetụta akparamagwa ụmụ akwụkwọ ndị a n'oge taa? Ọ bụ nsogbu a bụ isi sekpụ ntị na nchọcha a. E nyochara ụmụ ụkpụrụ ndị Igbo na-akụziri ụmụaka ha. E ji sọvee

kenkọwasị na ọnụọgụ ụmụ akwụkwọ dị naarị abụọ na ise wee mee nchọcha a, were mgbakọ miin zaa ajụjụ nchọcha. Ụfọdụ nchọpụta e nwetara gosịrị na ndị nne na nna, ndị nkuzi na ọha obodo kụbara afọ n'ala banyere ịkụzi na ịgbazi ụmụaka n'ihe banyere ụkpụrụ Igbo. A kpọrọ oku ka ndị nne na nna, ndị nkuzi na ọha obodo gbanwee ọnọdụ ọjọọ a tupu ọ ghọọ ihe ọzọ ma butere ma onye ukwu ma onye nta ọdachi n'ala anyị.

**Ọkpụrụkpụ okwu:** Ụkpụrụ, ụmụ akwụkwọ, akparamagwa, Sekọndịrị, mmetụta.

**Mkpọlite:**

Ọtụtụ ezinaụlọ na nne na nna dị iche iche akwaala arịrị banyere agwa ụmụaka ha dị iche iche nọ n'ogo agụmakwụkwọ sekọndịrị na-akpa. Imerime ezinaụlọ na-akwa akwa banyere agwa ọjọọ a na-ahụta n'ime ụmụaka ha, ebe ezinaụlọ ole na ole na-akọ akụkọ dị mma banyere ezi agwa ụmụaka ha. Ọ bụghị akụkọ ọhụrụ nye ntị ọ bụla n'ala anyị taa, na agwa ụmụ akwụkwọ ndị sekọndịrị nke taa ajọgbuela udele ma sigbuo nkapị n'isi. Nke a mere Okoye (2016) jiri wee kwaa arịrị banyere agwa ọjọọ ụmụ akwụkwọ, ndị e nwere taa n'ala anyị na-akpa. Ha sịrị na ụmụaka ndị a, ahapụla ezi agwa e ji mara ala anyị wee na-eme nke masịrị ha bụkwa agwa ndị obodo anyị na-adịghị anabata. Ha katọrọ otu ụmụ akwụkwọ sekọndịrị adịghị asọpụrụ ụmụ ụkpụrụ ọma ndị ahụ e ji mara ala anyị bụkwa ndị na-eme ka mmadụ na-ebi ezi ndụ nke obodo nabatara, ma gbaara ajọ agwa obodo na-asọ oyi ọsọ. Ọtụtụ ụmụ akwụkwọ ndị a ka a na-ahụta n'ime otu ọjọọ dị iche iche, ụfọdụ ka a na-ahụta n'ime otu ndị ori, ndị na-abagide nwaanyị n'ike, otu ashawo, ndị anụrụma, otu ndị ntọrị mmadụ tinyere nrụrụ aka n'oge ule dị iche iche. Agwa ọjọọ

ndị a bụ nnukwu aka mgba nye agụmakwụkwọ anyị, ịdị n'otu na ibikọ n'otu nke ala anyị. Obodo ọ bụla tụrụ anya na ndị bi n'ime ya ga na-akpa ezi agwa, bụkwa agwa ndị ahụ obodo nabatara na ha dabara adaba, ndị na-eme ka mmadụ na ibe ya dịrị n'udo ma wete ọganihu na udo n'obodo.

Ọtụtụ ndị ọkammụta akọwaala mkpụrụokwu a bụ ụkpụrụ n'ụzọ dị iche iche . Zalakoro (2016) kọwara ụkpụrụ dịka usoro na nkwenye maka ezi agwa nke na-emetụta usoro ndị mmadụ si akpa agwa n'ime ọha obodo ma ọ bụ n'otu ha. Anyakọha (2005) kọwara na ụkpụrụ bụ nchịkọta ihe ndị ahụ niile otu ma ọ bụ agbụrụ kwetara na ha dị mma, bụrụkwa ihe a na-achọsi ike, ihe dị mma na ihe ndị ahụ dabara adaba n'ime omenaala mba. Onye nchọcha n'onwe ya kwenyere na ụkpụrụ bụ ụmụ ezi agwa ndị ahụ na-agbazi ndu mmadụ na-ebi kwa ụbọchị. Ụkpụrụ dị nnọọ ka nkume e ji ewube ezi agwa na ezi ndụ.

Arnold (2007) depụtara ụfọdụ ụkpụrụ e ji mara ndị Igbo ma bụrụkwa nke ndị Igbo na akụziri ụmụ ha. Ụkpụrụ ndị a gụnyere; ịkwụwa aka ọtọ, eziokwu, ilete ọbịa, obiọma, omiiko, ịnabaata uche ndị ọzọ, nrube isi, nsọpụrụ, nnwere onwe, ịrụsi ọrụ ike. Ajero (2016) nabatara ụkpụrụ ndị a ma gakwa n'ihu kọwapụta ụkpụrụ ndị ọzọ ndị Igbo na-akụziri ụmụ ha, ndị gụnyere; nsọpụrụ, ikwu eziokwu, okwukwe, ime ebere, ịgbasapụ aka, ịbụ ezi nwaafọ, ịrụsi ọrụ ike, mmetụta nwanne na ịnabata ọbịa.

Ụkpụrụ nwere nnọọ mmetụta nye agwa mmadụ ọ bụla Chineke kere n'elu ụwa, ọ kachasị ụmụaka n'ihi na ụkpụrụ bụ ihe na-agbazi mmadụ ma mee ka onye ahụ mara ihe bụ ihe ọjọọ na nke ọma n'ime obodo ma ọ bụ agbụrụ ọ hụtara onwe

ya. Ụkpụrụ na-emekwa ka mmadụ mata ihe ndị ahụ obodo nabatara dịka ihe dị mma na ihe ndị ahụ obodo ma ọ bụ agbụrụ na-asọ nsọ.

Igbo na-asị na 'ezi agwa ka ego': E lezie anya n'akparamagwa ụmụ akwụkwọ ndị sekọndịrị ndị anyị maara taa, a ga-ahụ na imerime n'ime ha jọrọ njọ ka udele ma sigbuo nkapị n'isi. Akparamagwa na obibi ndụ nke imerime ụmụ akwụkwọ sekọndịrị n'ime afọ ndị garala aga na ugbu a, echuole ndị ọchịchị gọọmenti, ndị isi mmụta, nne na nna na ọha obodo ala Igbo ụra n'ihi na agwa ndị a emebiele ọtụtụ ihe ma bute ọgbaaghara bụkwa nke na-achọ imebi udo, nchekwa ndụ, ọganihu na ọdịmma nke ala anyị.

O doro ewu na ọkụkọ anya na ụkpụrụ na-arụ ọrụ dị ukwuu n'ime akparamagwa mmadụ ma na-enyekwa aka ịgbaziri mmadụ agwa ya site n'ime ka onye ahụ na-akpa agwa ndị ahụ dabara adaba ma hapụ agwa ndị ahụ rere ure ndị obodo na-asọ oyi. O nwere ike ịbụ na ndị nne na nna, ndị nkuzi na ọha obodo, anaghi akụziri ma na-agbaziri ụmụaka tụmadi ụmụ akwụkwọ ụkpụrụ ndị ahụ ha kwesịrị ịma site n'ụlọ nne na nna ha rue n'ụlọakwụkwọ. O doghịkwa anya ma ụkpụrụ ndị a, ebe a kụziri ha ma o nwekwara mmetụta ha na-enwe n'akparamagwa ụmụ akwụkwọ ndị sekọndịrị ndị a. Nke a bụ isi sekpụ ntị na nchọcha a. Ya mere, e tinye nsogbu nchọcha n'ajụjụ, ọ na-ajụ sị 'kedu otu nkuzi ụkpụrụ Igbo si emetụta akparamagwa ụmụ akwụkwọ ndị sekọndịrị nọ na Steeti Ebonyi?. Ọ bụ ụkpụrụ Igbo anọ (4) ka a họpụtara mee nchọcha a. Ha gụnyere ndị a: Ịrụsi ọrụ ike, ịkụwa aka ọtọ, nsọpụrụ na irube isi.

**Mbumnuche Nchọcha**

Mbunuche nchọcha a bụ ilebanye anya otu nkuzi ụkpụrụ Igbo ndị a hoọrọ, si emetụta akparamagwa ụmụ akwụkwọ sekọndịrị nọ na Steeti Ebonyi.

E lebaa ya anya kpọm kwem, nchọcha a na-achọ ịmata otu:

1.Ịrụsi ọrụ ike, dịka otu n'ime ụkpụrụ Igbo si emetụta akparamagwa ụmụ akwụkwọ ndị sekọndịrị nọ na Steeti Ebonyi.
2.Ịkwụwa aka ọtọ, dịka otu n'ime ụkpụrụ Igbo si emetụta akparamagwa ụmụ akwụkwọ ndị sekọndịrị nọ na Steeti Ebonyi.
3.Nsọpụrụ, dịka otu n'ime ụkpụrụ Igbo si emetụta akparamagwa ụmụ akwụkwọ ndị sekọndịrị nọ na Steeti Ebonyi
4.Irube isi, dịka otu n'ime ụkpụrụ Igbo si emetụta akparammagwa ụmụ akwụkwọ ndị sekọndịrị nọ na Steeti Ebonyi.

**Ajụjụ Nchọcha**:
1.Kedu otu ịrụsi ọrụ ike dịka ụkpụrụ Igbo si emetụta akparamagwa ụmụ akwụkwọ ndị sekọndịrị nọ na Steeti Ebonyi?
2.Kedu otu ịkwụwa aka ọtọ dịka ụkpụrụ Igbo si emetụta akparamagwa ụmụ akwụkwọ ndị sekọndịrị nọ na Steeti Ebonyi?

3.Kedu otu nsọpụrụ dịka ụkpụrụ Igbo si emetụta akparamagwa ụmụ akwụkwọ ndị sekọndịrị nọ na Steeti Ebonyi?
4.Kedu otu nrube isi dịka ụkpụrụ Igbo si emetụta akparamagwa ndị sekọndịrị nọ na Steeti Ebonyi?

**Usoro Nchọcha:**

Ụdịrị nchọcha a gbasoro wee mee nchọcha a bụ sọvee kenkọwasị. Dịka Ali (1996) si wee kọwaa, sọvee kenkọwasị gụnyere ụdịrị nchọcha ahụ na-achọ iji ngwa mmụta wee kọwapụta n'ụzọ doro anya, ihe dịbu adị ma ọ bụ ọnọdụ ihe dị ugbu a ma ọ bụ chọpụta ihe ọhụrụ a na-achọ ịmata otu ọ dị site na nchọpụta ahụ. Abonyi, Okereke, Omebe na Anugwo (2006) kọwakwara sị na sọvee kenkọwasị gụnyere ndị ahụ a na-ewete ngwa mmụta site n'aka nsere ntakịrị nke sitere n'ọnụọgụ bara ụba nke ga-enyere onye nchọcha aka ịkwapụta n'ụzọ a haziri nke ọma ihe ndị mejupụtara ihe ndị dị adị.

Sọvee kenkọwasị dabara adaba na nchọcha a, n'ihi na ọ ga-agbalị ịchọpụta otu ụkpụrụ Igbo si emetụta akparamagwa ụmụ akwụkwọ ndị sekọndịrị nọ na Steeti Ebonyi . Onye nchọcha ga-eme nke a site n'ịjụpụta echiche ndị ọ ga-eji eme nchọcha nke ga-enyere ya aka ịmata otu ụkpụrụ Igbo si emetụta akparamagwa ụmụ akwụkwọ ndị sekọndịrị nọ na Steeti Ebonyi.

Ebe nchọcha a bụ na Steeti Ebonyi. Ọ bụ okpuru ọchịchị iri na atọ mejupụtara Steeti Ebonyi. Ọnụọgụ eji mee nchọcha a bụ ụmụ akwụkwọ ndị ogo agụmakwụkwọ sekọndịrị nke ukwu nke abụọ (SS11) nọ na Steeti Ebonyi. Ọnụọgụ ụmụ akwụkwọ ndị a họpụtara maka nchọcha a dị naarị abụọ na ise(250).

Ngwa e jiri mee nchọcha a bụ akwụkwọ mgbanjụ nke nwere ụmụ okwu iri abụọ (20) hibere isi na nchọcha a, “Nchọpụta mmetụta ụkpụrụ Igbo n’akparamagwa . A tụrụ anya ka ụmụ akwụkwọ gosịpụta site n’ịhọrọ otu n’ime ikike anọ e wepụtara maka ịhọrọ, oke ụkpụrụ Igbo ndị ahụ a họpụtara si emetụta akparamagwa ha. Ikike nhọrọ ndị a bụ: Ekwesiri m ike (EMI), Ekwere m (EM), Ekweghị m (EKM), Ekwesighị m ike (EKMI).

ndị ọkammụta atọ, abụọ si na ngalaba mgbakọ na nnwale tinyere otu sitere na ngalaba asụsụ Igbo na Mahadum Steeti Ebonyi ka e ji nwalee nzuoke ngwa nchọcha a ma lee ya anya. Nke a bụ iji hụ na okwu ndị ahụ dabara adaba ma na mkpụrụokwu ma na ịgbọ ihe ewu na-ata dị na nchọcha a. Mgbazi na ntụpụta ndị ọkammụta ndị ka e ji wee depụta okwu iri abụọ (20) ha zara na nchọcha a.

E jikwa kooefishenti nke e ji usoro Cronbach Alpha wee nwale ntụkwasịobi ngwa nchọcha. Okwu nchọcha niile ahụ (20) nyere ntụkwasịobi kooefishenti nke 0.95 bụkwa nke e were na o nyere mgbakọ bịakọtara ọnụ nkeọma.

E jiri mgbakọ miin $(\bar{x})$ na ndịpụ n’izugbe (Standard deviation) saa ọsịsa ma tụchaa azịza e nwetara n’ajụjụ nchọcha.

**Ihe a chọpụtara**

**Ajụjụ Nchọcha 1:** Kedu otu ịrụsi ọrụ ike dịkà ụkpụrụ Igbo si emetụta akparamagwa ụmụ akwụkwọ ndị sekọndịrị nọ na Steeti Ebonyi?

**Tebụlụ 1: Mgbakọ miin nke ụmụ akwụkwọ na mmetụta ịrụsi ọrụ ike, n'akparamagwa ụmụ akwụkwọ nke sekọndịrị nọ na Steeti Ebonyi**

| S/N | Ụmụ Okwu maka nchọcha | Miin | Sd | Nkọwa |
|---|---|---|---|---|
| | Ọ na-ara m ahụ ịgụ akwụkwọ m | 2.42 | 1.22 | Anabataghi |
| | Anaghị m arụsi ọrụ ike na ije ozi dị n'ụlọ anyị. | 2.65 | 1.10 | Nabata |
| | ndị nkuzi m kụziri m ịrụsi ọrụ ike n'ihe niile m na- eme. | 2.89 | 1.04 | Nabata |
| | Ọ naghị amasị m ime ihe ọ bụla n'ụlọ anyị. | 2.10 | 1.05 | Anabataghị |
| | Ana m agbarụ ihu oge ọ bụla a sịrị m mee ihe n'ụlọ anyị. | 2.55 | 0.97 | Nabata |
| | **Oke miin** | **2.43** | | **Anabataghị** |

Nchọpụta e mere n'ime tebụlụ 1, gosịrị na a nabatara okwu nchọcha nke abụọ, atọ na nke nke ise (2,3,5) n'ihi na ha nwere miin dị elu karịa 2.50, ebe a nabataghị okwu nchọcha nke mbụ na nke anọ (1,4) n'ihi na ha nwere miin erughị 2.50. **Otu o sila dị**, oke miin dị 2.43, nke erughịkwa 2.50. N'ihi nke a, ndị zara okwu nchọcha kwekọrịtara na ịrụsi ọrụ ike, dịkà ụkpụrụ Igbo, anaghị emetụta akparamagwa ụmụ akwụkwọ ndị sekọndịrị nọ na Steeti Ebonyi.

**Ajụjụ Nchọcha 2:** kedu otu ịkwụwa aka ọtọ dịkà ụkpụrụ Igbo si emetụta akparamagwa ụmụ akwụkwọ ndị sekọndịrị nọ na Steeti Ebonyi?

**Tebụlụ 2: Mgbakọ miin nke ụmụ akwụkwọ na mmetụta ịkwụwa aka ọtọ, n'akparamagwa ụmụ akwkụwọ nke sekọndịrị nọ na Steeti Ebonyi.**

| S/N | Ụmụ Okwu maka nchọcha | Miin | Sd | Nkọwa |
|---|---|---|---|---|
| | Ana m atụ asị oge ụfọdụ m mere ihe ọjọọ | 2.58 | 0.94 | Nabata |

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| | ndị nwe m na-apịakarị m utarị oge m tụrụ asị | 2.43 | 1.04 | Anabataghị |
| | ndị nwe m anaghị ata m ahụhụ oge m tụrụ asị | 3.99 | 0.69 | Nabata |
| | Ana m esonye ụmụ akwụkwọ ibe m na-atụ asị n'ụlọakwụkwọ anyị. | 2.38 | 1.22 | Anabataghị |
| | A kụziri anyị ịhapụ ịtụ asị n'ụlọ ụka. | 2.85 | 1.08 | Nabata |
| | **Oke miin** | **2.70** | | **Nabata** |

Nchọpụta e mere n'ime tebụlụ 2, gosịrị na a nabatara okwu nchọcha nke isii, asatọ na iri (6,8, na 10) n'ihi na ha nwere miin dị elu karịa 2.50, ebe anabataghị okwu nchọcha nke asaa na nke itoolu (7,9), n'ihi na ha nwere miin erughị 2.50. Otu o sila dị oke miin dị 2.70 nke karịrị 2.50. N'ihi nke a ndị zara okwu nchọcha kwekọrịtara na ịkwụwa aka ọtọ, dịkà ụkpụrụ Igbo na-emetụta akparamagwa ụmụ akwụkwọ Sekọndịrị nọ na Steeti Ebonyi.

**Ajụjụ Nchọcha 3:** Kedu otu nsọpụrụ dikà ụkpụrụ Igbo si emetụta akparamagwa ụmụ akwụkwọ ndị sekọndịrị nọ na Steeti Ebonyi?

**Tebụlụ 3: Mgbakọ miin nke ụmụ akwụkwọ na mmetụta nsọpụrụ n'akparamagwa ụmụ akwụkwọ nke sekọndịrị nọ na Steeti Ebonyi.**

| S/N | Ụmụ Okwu maka nchọcha | Miin | Sd | Nkọwa |
|---|---|---|---|---|
| | ndị nwe m kuziri m ịsọpụrụ ndị tọrọ m. | 2.93 | 1.22 | Nabata |
| | Oge ụfọdụ ana m enupụrụ ndị tọrọ m isi n'ụlọ akwụkwọ. | 2.77 | 0.89 | Nabata |
| | Ana m asọpụrụ ndị tọrọ m ebe ọ bụla m hụrụ ha. | 3.42 | 0.97 | Nabata |
| | Dịkà nwatakwụkwọ, anaghị m atụ ndị nkuzi m ụjọ. | 2.36 | 1.11 | Anabataghi |
| | Dịkà nwata akwụkwọ nọ n'ogo klasị dị elu, ana m ahọrọ onye m ga-asọpụrụ. | 2.18 | 1.23 | Anabataghị |

| | | | |
|---|---|---|---|
| | **Oke miin** | **2.74** | **Nabata** |

Nchọcha e mere n'ime tebụlụ 3, gosịrị na a nabatara okwu nchọcha nke 11, 12 na 13, n'ihi na ha nwere miin nke dị elu karia 2.50, ebe a nabataghị okwu nke 14 na 15, n'ihi na ha nwere miin erughị 2.50. Otu o sila dị, oke miin dị 2.74 nke karịrị 2.50. ụlụ Igbo, na-emetụta akparamagwa ụmụ akwụkwọ ndị sekọndịrị nọ na Steeti Ebonyi.

**Ajụjụ Nchọcha 4**: Kedu otu nrube isi dịkà ụkpụrụ Igbo si emetụta akparamagwa ụmụ akwụkwọ ndị sekọndịrị nọ na Steeti Ebonyi?

**Tebụlụ 4: Mgbakọ miin nke ụmụ akwukwo na mmetụta nrube isi n'akparamagwa ụmụ akwụkwọ nke ndị sekọndịrị nọ na Steeti Ebonyi.**

| S/N | Ụmụ Okwu maka nchọcha | Miin | Sd | Nkọwa |
|---|---|---|---|---|
| | Ana m eme ihe niile a sịrị m mee n'arụghị ụka | 2.89 | 0.87 | Nabata |
| | Oge ụfọdụ, ana m ajụ ime ihe ndị nwe m sịrị m mee. | 2.74 | 0.89 | Nabata |
| | Ọ na-amasị m ịrụ ụka tupu m mee ihe ndị tọrọ m sịrị m mee | 2.51 | 0.96 | Nabata |
| | O nwebeghị onye kuziri m, irubere ndị tọrọ m isi | 1.96 | 1.25 | Anabataghi |
| | Ana m agbarụ ihu oge ụfọdụ tupu m mee ihe asị m mee | 2.67 | 0.96 | Nabata |
| | **Oke miin** | **2.55** | | **Nabata** |

Nchọcha e mere n'ime tebụlụ 4 gosịrị na a nabatara okwu nchọcha nke 16, 17, 18, 20, n'ihi na ha nwere miin dị elu karịa 2.50, ebe a nabataghị okwu nchọcha nke 19, n'ihi na o nwere miin erughị 2.50. Otu o sila dị, oke miin dị 2.55, nke karịrị 2.50. Nke a gosịrị na ndị zara okwu nchọcha

kwekọrịtara na nrube isi dịkà ụkpụrụ Igbo, na-emetụta akparamagwa ụmụ akwụkwọ nke ndị sekọndịrị nọ na Steeti Ebonyi.

**Site na ntọsasị na ntụcha e mere, ihe ndị a bụ ihe a chọpụtara**.

ndị zara okwu maka nchọcha a kwekọrịtara na ịrụsi ọrụ ike, dịka ụkpụrụ Igbo anaghị emetụta akparamagwa ụmụ akwụkwọ ndị sekọndịrị nọ na Steeti Ebonyi.
ndị zara okwu maka nchọcha a kwekọrịtara na ịkwụwa aka ọtọ, dịka ụkpụrụ Igbo na-emetụta akparamagwa ụmụ akwụkwọ ndị sekọndịrị nọ na Steeti Ebonyi.
ndị zara okwu maka nchọcha a kwekọrịtara na nsọpụrụ, dịka ụkpụrụ Igbo na-emetụta akparamagwa ụmụ akwụkwọ ndị Sekọndịri nọ na Steeti Ebonyi.
ndị zara okwu maka nchọcha a kwekọrịtara na nrube isi, dịka ụkpụrụ Igbo na-emetụta akparamagwa ụmụ akwụkwọ ndị Sekọndịrị nọ na Steeti Ebonyi.

**Mkparịta ụka n'ihe a chọpụtara**

Nchọcha e mere n'ime tebụlụ I, gosịrị na ndị sara okwu maka nchọcha kwekọrịtara na ịrụsi ọrụ ike, dịka ụkpụrụ Igbo anaghị emetụta akparamagwa ụmụ akwụkwọ ndị sekọndịrị nọ na Steeti Ebonyi. Nchọpụta a, gosịrị na ụmụ akwụkwọ n'oge ugbu a, adịghị arụsi ọrụ ike dịka ịgụsi akwụkwọ ha ike maka ime nke ọma n'ule ha, tinyere ihe ndị ọzọ asị ha mee. Nke a dabara n'ihe Olumba (2015) kwuru oge o dere na otu n'ime nsogbu a na-ahụta n'etiti ụmụ akwụkwọ nke sekọndịrị taa bụ ejighị ịgụsi akwụkwọ ha ike kpọrọ mkpa. O kwuru na nkea, emeela ka ọtụtụ ụmụ akwụkwọ nwee ntụkwasịobi na nrụrụ aka ule na igobi ndị ọzọ ka ha letara ha ule.

Nchọcha e mere na tebụlụ 2, gosịrị na ndị sara okwu maka kwekọrịtara na ịkwụwa aka ọtọ, dịka ụkpụrụ Igbo, na-emetụta akparamagwa ụmụ akwụkwọ sekọndịrị nọ na Steeti Ebonyi. Nchọpụta a dabara n'ihe Kalu (2016) kwuru oge o dere sị na ọ bụ eziokwu na ụmụ akwụkwọ nke ọgbọ a anaghị akwụwa aka ha ọtọ n'ihi ọtụtụ asị ha na-atụ na nrụrụ aka ndị ọzọ a na-ahụta n'etiti ụmụ akwụkwọ taa.

Nchọcha nke e mere na tebụlụ 3, gosịrị na ndị zara okwu nchọcha kwekọrịtara na nsọpụrụ, dịka ụkpụrụ Igbo, na-emetụta akparamagwa ụmụ akwụkwọ ndị Sekọndịrị. Nke a dabara n'ihe Arnold (2007) kwuru, oge ọ sịrị na ezinaụlọ ọ bụla chọrọ inweta ebumnobi ịkụnye ụkpụrụ nsọpụrụ na ụkpụrụ ndị ọzọ n'ime ụmụaka ha ga-agba mbọ lemie anya n'akparamagwa ụmụaka ha ma n'ụlọ ma n'ezi oge ọ bụla, ma too ma bakwa mba oge na otu o kwesịrị.  Nke a dabakwara n'ihe Ushie (2016) kwuru na ndị nne na nna maara ihe ekwe na-akụ, na-akụziri ụmụaka ha ụzọ e si asọpụrụ ndị tọrọ ha, ndị okenye, ndị nkuzi na ndị ọzọ niile kwesịrị ka a sọpụrụ ha n'ọha obodo.

Nchọcha nke e mere na tebụlụ 4, gosịrị na ndị zara okwu maka nchọcha kwekọrịtara na nrube isi, dịka ụkpụrụ Igbo, na-emetụta akparamagwa ụmụ akwụkwọ ndị Sekọndịrị. Nke a dabara n'ihe Ugwu (2013) dere oge ọ kọwara na ezinaụlọ ọ bụla maara onwe ha na-agba mbọ akụziri ụmụaka ha usoro irube isi nye ndị okenye na iwu obodo. E meghị nke a, na-eweta ọtụtụ agwa rere ure a na-ahụta n'etiti ndị ntorobịa n'ala anyị. Ọ dụrụ ndị nne na nna na ndị nkuzi ọdụ ka ha tinyekwuo uche n'ịkụzi ụkpụrụ Igbo nye ụmụaka ha.

**Mmechi**

VOLUME 16 NO 2, JULY, 2023 ISSN: 2476-8448

Na nchọcha a, a hụtara na ọtụtụ ihe na-emetụta ndụ ụmụ akwụkwọ ndị nọ n'ogo agụmakwụkwọ Sekọndịrị. Ụmụ akwụkwọ ndị sekọndịrị bụkwa ndị a na-elegara anya dị ka ndị ndu nke obodo anyị n'ọdịnihu. Ihe ndị a na-emetụta akparamagwa ụmụ akwụkwọ ndị a n'ụzọ dị mma na ụzọ dị njọ. A hụkwara na e nwere ụmụ usoro akparamagwa ọma obodo nabatara ka mmadụ na-agbaso maka ibi ezi ndụ n'ime obodo. Ụmụ ezi akparamagwa ndị a ka a na-akpọ 'ụkpụrụ'. Nchọcha a lebakwara anya n'ụmụ ụkpụrụ ọma ahụ ndị Igbo na-akụziri ụmụ ha, ebe a hụrụ na ha gụnyere nsọpụrụ, nrube isi, ịkwụwa aka ọtọ na ndị dịka ha. Na nchọcha a, a hụrụ na ụfọdụ ụkpụrụ Igbo anaghị emetụta akparamagwa ụmụ akwụkwọ ndị Sekọndịrị. Nke a nwere ike bụrụ n'ihi enweghị ezi nkuzi tọrọ atọ ma ọ bụ adịghị uchu nke ndị nne na nna na ọha obodo ịkụziri ụmụaka ha ụmụ ụkpụrụ Igbo ndị a. Nke a wee na-egosị mkpa ọ dị na ndị nne na nna, ndị nkuzi na ọha obodo niile, ihi asaa n'anya ma mata ebe mmiri a si banye n'opi ụgbọgịrị ka e wee nwee ike wepụ aka enwe n'ofe tupu ọ ghọọ aka mmadụ.

## Ntụta Alo

Site n'ihe a chọpụtara, a tụpụtara alo ndị a:

ndị isi nchịkọta agụmakwụkwọ n'ala anyị ga-ewebata n'atụfughị oge, nkuzi asụsụ ala anyị na ụkpụrụ ala anyị n'ime agụamakwụkwọ ala anyị, ebe a ga-eme ka ọ bụrụ iwu na nwata akwụkwọ ọ bụla ga-amụrịrị ihe banyere asụsụ na ụkpụrụ ala anyị.

Iji hụ na e chekwabara ụkpụrụ ala Igbo, ndị isi ọchịchị niile nọ n'ala Igbo ga-enye iwu ka ọmụmụ asụsụ, omenaala na ụkpụrụ bụrụ ihe nwa afọ Igbo ọ bụla na-agụ

akwụkwọ n'ala Igbo ga-amụrịrị ma gafee ya n'ule ikpe azụ tupu enye ya asambodo onye mere nke ọma malite na Praịmarị ruo na Mahadum, tinyekwara ụlọ mmụta ndị ọzọ dịka nke ndị politeknik, ndị nọọsụ, ndị teknikal na ụlọ mmụta ndị yiri ha.

ndị nne na nna ga-etinyekwa uche ịmalite n'oge kụbanyewa ụmụ ụkpụrụ ọma ndị a n'ime ụmụaka ha site n'ịkatọ, na ịba mba, ịpịa ụtarị, ịgbarụ ihu na ụzọ ndị ọzọ, agwa ọjọọ ọ bụla nwata kpara. N'otu aka ahụkwa, ndị nne na nna ga-agba mbọ gbaa ụmụaka ha ume oge ha kpara agwa ọma, n'ito ha na inye ha ihe nrite ka ha nwee ike na-akpa agwa ndị ahụ na-aga n'ihu.

## Edensibịa

Abonyi, O.S., Okereke, S.C., Omebe, C.A. & Anugwo, M. (2006). *Foundation of Educational Research and Statistics*. Enugu: Fred Ogah publishers.

Ajero, D. (2016). Refocusing contents and methods of values education for effective development of society. *Nigerian Journal of curriculum studies*. 23 (I)

Ali, A. (1996). *Fundamentals of Research in education* Onitsha: Meks publishers.

Anyakoha, E.U. (2005). *Home management for Junior Secondary Schools (ed)* Onitsha: Africana Fep publishers ltd.

Arnold, R.O. (2007). *The parenting challenges: your child behaviour from 6 to 1*. New York Pocket Books Publications.

Kalu, U.C. (2016). Crimes among students. *Freedom magazine* 2(3). Olumba, U. (2015). Investigation into students' poor performances in mathematics

Examination: A case study of secondary school students of Borki Local Government Area of Cross River State.

Okoye, J.C. (2016). Problems of Nigerian Students in Academic work. A solution. *The vanguard Newspapers*.Page 27.

Ugwu, K. (2013). Raising character Driven Children. The punch Newspapers. Page 15.

Ushie, D.M. (2016). *Good Child up bringing: message to parents.* London: Cambridge University.

Zalakoro, J. L. C. (2016). Cultural values and education: impact on social control and social order in a society. *Nigerian Journal of curriculum studies.* 23 (3).